Mmetụta Asụsụ Bekee Na-emetụta Ụmụakwụkwọ na Mkpọpụta Okwu Igbo N'ogo Praịmarị N'okpuru Ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu Si N'aka

Ezema, Chinenye Anthonia
Humanities Unit, School of General Studies/
Department of Arts Education, Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
chinenye.ezema@unn.edu.ng

Ugwuozor, Bendicta Ogochukwu
Department of Arts Education, Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
benedictaogochi7@gmail.com
Na
Ugwu, Faith Ekene
Department of Arts Education, Faculty of Education,
University of Nigeria, Nsukka
ugwufaith39@gmail.com

Ụmị

Nchọcha a bụ nke e mere iji chọpụta mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu. Ebumnuche nchọcha a bụ ịchọpụta ma e nwere ụzọ asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ mgbe ha na-akpọpụta okwu Igbo Izugbe. Ajụjụ nchọcha anọ ka nchocha a hiwere isi na ya. E si n'ime ajụjụ nchọcha anọ ndị a nweta ndịna iri na isii mebere ajụjụ njụmaza Mmetụta Asụsụ Bekee Na-emetụta Ụmụakwụkwọ na Mkpọpụta Okwu Igbo (MABNỤMOI). E jiri usoro sọvee mee nchọcha a. Ndị e ji mee ya bụ nchọcha bụ ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ogo praịmarị nke anọ n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu. Ihe a chọpụtara gosiri na mgbochiume asụsụ Bekee, ụdaume asụsụ Bekee, fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee na ndebeolu asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe. Ndị nchọcha tụrụ aro ka ndị nkụzi kụziere ụmụakwụkwọ ndịiche dị n'etiti mgbochiume asụsụ Igbo na nke asụsụ Bekee ọ kachasị mgbochiume mkpị, ka ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi na-eji ụdaume asụsụ Igbo na-akpọpụta okwu Igbo ma ghara ịgwakọ ụdaume

asụsụ Igbo na nke asụsụ Bekee ọkachasị na ị, ụ, ọ, ka ndị nkụzi kọwara ụmụakwụkwọ ndịiche dị na fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee na nke asụsụ Igbo nke ọma, ọ dịkwazi mkpa ka ndị nkụzi asụsụ Igbo jiri ndebeolu asụsụ Igbo na-asụ ma na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo. Ka ndị nkụzi kọwara ụmụakwụkwọ na asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu. Aro ndị a bụ iji belata mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo Izugbe.

Ọkpụrụkpụ Okwu: Asụsụ Bekee, Asụsụ Igbo, Mgbochiume, Ụdaume, Ụmụakwụkwọ

Praịmarị

Mkpọlite

Asụsụ so n'otu ihe kacha dị mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bụ asụsụ ka e ji egosipụta mbunuche, nghọta, echiche, ọnọdụ nakwa ka e siri hụ ụwa. Ọ bụ asụsụ na-eweta mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Ndụ mmadụ niile jupụtara n'asụsụ maka na ihe niile mmadụ na-eme chọrọ asụsụ. Ọ bụ asụsụ ka e ji azụ ahịa, akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, arụkwa ọrụ dịgasị iche iche (Ezema, 2023). E wepụ asụsụ na ndụ, ọ kachasị na ndụ mmadụ, mmekọrịta mmadụ na ibe ya agaghị a dị mfe. Nke a mere asụsụ ji dị mkpa n'ebe ọ dị ukwuu n'ihi na ọ dị ka eriri ụdọ jikọtara agbụrụ dị iche iche gụnyekwara mba ụwa niile ọnụ. Alshami (2019) kọwara asụsụ dịka ụzọ e ji ezirita ozi. Ọ bụ ụzọ e ji eme ka ndị ọzọ mata echiche, nkwenye na ọnọdụ mmadụ.

Asụsụ na-egosi ebe mmadụ si pụta maka na mgbe mmadụ kwuru okwu, a na-amata ebe onye ahụ si. Nke a na-egosi na asụsụ na obodo na-enwe mmekọrịta. Ude (2018) kọwara na asụsụ bụ ihe nrịbaama nke mmadụ ji ezipụta ihe o bu n'obi mgbe ya na ndị ọzọ bịakọtara ọnụ. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji ekwukọrịta okwu nke mere na e wepụ asụsụ, ọ ga-ahịa ahụ ịmata ihe mmadụ bu n'uche. Asụsụ dị ka ngwa mmekọrịta abụghị naanị ekwumekwu, kama ọ metụkwara mmegharị ahụ na edemede. A na-agwakọrịta okwu ọnụ na mmegharị ahụ mgbe mmadụ na ibe ya na-akparịta ụka. Asụsụ bụ nke ọmụmụ, nkwalite na nlekọta nakwa iji ụzọ dị iche iche e si akparịta ụka mejupụtara.

N'ịga n'ihu, asụsụ bụ otu ihe dịwagara iche n'etiti mmadụ na anụmanụ ndị ọzọ n'ihi na ọ bụ naanị mmadụ ji asụsụ enwe mmekọrịta. Anụmanụ ndị ọzọ

nwekwara ụzọ ha si enwe mmekọrịta mana ụzọ a adịghị ka asụsụ nke a haziri ahazi n'ụdị mkpụrụokwu ole na ole gakọrọ ọnụ n'ezi usoro bụ nke asụsụ ọbụla nwere usoro nke ọ na-agbaso. Mkpụrụokwu ole na ole ndị a bụ nke e ji mkpụrụasụsụ ewube. A na-ejikọ mkpụrụokwu ole na ole ọnụ site n'ịgbaso usoro asụsụ ahụ họpụtara iji mebe ahịrịokwu nwere nghọta zuru oke nke ndị mmadụ ji akparịta ụka n'etiti onwe ha. Okorji na Atadoga (2006) kwenyere na ihe ọbụla bukọtara ndị mmadụ dị iche iche ọnụ bụ asụsụ bụrụkwa ụzọ omenala dị iche iche si enwe mmekọrịta.

Dịka agbụrụ mmadụ si dị iche iche, etu ahụkwa ka asụsụ ha sị dị iche iche. Ebe ndị Igbo na-asụ asụsụ Igbo, ndị Yoruba na-asụ Yoruba, ndị Awụsa na-asụ Awụsa, ndị England na-asụ Bekee, ndị France na-asụ French. Mba dị iche iche nwere asụsụ dị iche iche agbụrụ ndị mejupụtara ha na-asụ. Ọ bụ site na ederede, mmegharị ahụ na ekwumekwu ka mmadụ nwere ike igosipụta asụsụ. Dịka o si metụta ekwumekwu, mmadụ na-akpọpụta okwu ndị o bu n'uche site na mkpọpụta mgbochiume na ụdaume asụsụ ahụ ka ha dabaa n'usoro ndokọokwu nakwa ụzọ pụrụ iche asụsụ ahụ ji pichi arụ ọrụ (Anagbogu, Mbah na Eme, 2010).

Mgbochiume bụ mkpụrụụda ndị ahụ a na-enwe mgbochibido ikuku mgbe a na-akpọpụta ha. Ịmaatụ: /b/, /k/, /kw, /gb/, /h/, /s/ ebe ụdaume bụ mkpụrụụda ndị ahụ e nwere ike ịkpọpụta na enweghị ihe mgbochibido ikuku sitere n'akpịrị ọnụ na-akpọpụta ha. Ha bụ: /a/, /e/, /i /ị/, /o/, /ọ/, /u/ na /ụ/. Ọ bụkwazị mkpụrụedemede ndị ahụ mkpọpụta ha anaghị enwe mgbochibido ikuku. Richard (2020) kọwara na ụdaume bụ mkpụrụụda ndị ahụ e nweghi mgbochibido ikuku sitere n'akpịrị na ọnụ onye na-akpọpụta ha.

Fonotatiks/usoro ndokọokwu bụ etu e si ejikọ mkpụrụụda iji nweta mkpụrụokwu asụsụ nwere nghọta zuru oke n'otu asụsụ. Asụsụ ọbụla nwere usoro nke ha na-agbaso na njikọ mkpụrụụda ndị a. Mkpụrụụda ndị a na-ejikọ bụ mgbochiume (C), ụdaume (V) na myiriụdaume (N) ndị dị n'asụsụ a na-eleba anya ma bụrụkwa nke ga-aga n'usoro asụsụ ahụ kwadoro. Gabby (2013) kọwara fonotatiks ka usoro e nwere ike ịgbaso mgbe a na-ejikọ mkpụrụụda. Asụsụ Bekee bụ nke e ji mara mba England ma bụrụkwa nke obodo niile ha chịrị n'oge gara aga dịka Naijiria, Ghana ji mere asụsụ izugbe. Asụsụ Bekee nwere mkpụrụedemede ọtọgrafị dị iri abụọ na

isii. Ọ bụ asụsụ ndebeolu nke na-eji ndebeolu eme nghọta pụrụ iche n'etiti ahịrịokwu abụọ yiri onwe ha.

Asụsụ Igbo n'aka nke ọzọ bụ asụsụ ndị isi ojii bi n'ọwụwa anyanwụ ndịda Naịjirịa bụkwa ndị e ji nkwenye na omenala Igbo mara. Mkpụrụedemede asụsụ Igbo dị iri atọ na isii n'ọnụọgụ. N'ịga n'ihu, asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Nke a pụtara na asụsụ Igbo na-eji ụdaolu eweta nghọta pụrụ iche n'etiti mkpụrụokwu ole na ole yiri onwe ha na nsụpe maọbụ ahịrịokwu ole na ole yiri onwe ha (Ezema na Aboh, 2020).

N'ihi mbọ a na-agba maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya, asụsụ Bekee bịara were ọnọdụ asụsụ izugbe ndị Naịjirịa ebe ọ bụ na ndọrọndọrọ ekweghi ka otu asụsụ n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naịjirịa bụ asụsụ Igbo, Awụsa na Yoruba rụọ ọrụ asụsụ izugbe Naịjirịa. Nke a mere na ọ bụ asụsụ Bekee ka e ji eme ọgbakọ, ekpe ikpe n'ụlọikpe, o metụtakwara okpukperechi, azụmahịa na agụmakwụkwọ (Onwuka na Umo, 2019). Dịka o si metụta ụlọakwụkwọ na agụmakwụkwọ, nkụzi niile bụ asụsụ Bekee ka e ji eme ya. Nke a mere na n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ, asụsụ Bekee na-emetụta asụsụ ọdịnala Naịjirịa site na iweta ngwakọrịta asụsụ, nakwa mmetụta na mkpọpụta okwu n'ihi ihe ndịiche dị n'etiti asụsụ Igbo na asụsụ Bekee bụ ndị nwere ike imetụta mkpọpụta okwu dịka ụdaume, mgbochiume na usoro ndọkọokwu. Ọ bụ nke a kpalitere mmụọ ndị nchọcha n'ileba anya iji chọpụta etu asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagu, Steeti Enugwu. Ndị nchọcha hụtara na ndị nkụzi nọ n'ogo praịmarị n'Ezeagu na-eji asụsụ Bekee akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo na klaasị.

Asụsụ Bekee nwere ike imetụta mkpọpụta okwu Igbo n'ụzọ dị iche iche n'ihi na usoro ndọkọokwu asụsụ Igbo na asụsụ Bekee abụghị otu tinyekwara na o nwere mkpụrụụda mgbochiume ndị dị n'asụsụ Igbo bụ nke adịghị n'asụsụ Bekee dịka /gb/, /ɣ/, /gw/, /kp/, /ɲ/, /ŋw/. Nke a nwere ike imetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta mkpụrụokwu Igbo ndị nwere mkpụrụụda ndị a.

N'aka nke ọzọ, e nwere usoro ndọkọ ụdaume asụsụ Igbo na-agbaso bụ nke a kpọrọ ndakọrịta ụdaume nke asụsụ Bekee anaghị agbaso. Nke a nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ lefere iwu ndakọrịta ụdaume anya site n'ịkpọpụta okwu etu ọbụla

o si masị ha. N'ịgakwa n'ihu, myiriụdaume nwere ike ibido nkejiokwu n'asụsụ Igbo mana nke a adịghị ire n'asụsụ Bekee, nke a nwere ike imetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu ndị myiriụdaume bidoro.

Ụzọ ọzọ asụsụ Bekee nwekwara ike imetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo bụ na asụsụ Bekee bụ asụsụ ndebeolu ebe asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-agbaso usoro ndebeolu asụsụ Bekee na mkpọpụta okwu Igbo ghara iji ụdaolu bụ nke asụsụ Igbo na-agbaso. Nke a nwere ike imetụta ha n'ịkpọpụta okwu na ọzọ yiri onwe ha ka ọ dabara na mpụtara ha. Ọ bụ n'ihi nke a ka nchọcha a jiri lebaa anya na mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.

Nsogbu Nchọcha

Asụsụ bụ nke mmadụ na ibe ya ji enwe mmekọrịta n'etiti onwe ha mgbe ndị na-asụ asụsụ dị iche iche bịakọtara ọnụ. Mmekọrịta a na-eweta mmetụta asụsụ nke nwere ike ịbụ na mkpọpụta okwu, odide na ọsụsụ asụsụ. Nke a pụtara na otu asụsụ nwere ike imetụta asụsụ nke ọzọ. Ịmaatụ, asụsụ Igbo nwere ike inwe mmetụta na mkpọpụta okwu asụsụ Hausa, Yoruba maọbụ Bekee mana ebe nchọcha a gbadoro ụkwụ bụ na mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagu, Steeti Enugwu.

Asụsụ Bekee dị ka asụsụ e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ nakwa dị ka asụsụ a na-asụ n'ebe dị iche iche n'ala Naịjirịa na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo ụfọdụ n'ihi na ụmụakwụkwọ a na-enwe nhịaahụ na mkpọpụta mgbochiume na ụdaume Igbo nakwa iwu ndakọrịta ụdaume. Asụsụ Bekee nwekwara ike imetụta mkpọpụta okwu ka ọ dabaa n'usoro ndọkọokwu Bekee. Ya bụ ụmụakwụkwọ nwere ike ịkpọpụta okwu Igbo ka ọ dabaa n'usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee. Ihe ndị a na-egosi na ụmụakwụkwọ na-agbaso usoro mkpọpụta okwu Bekee karịa nke asụsụ Igbo. Nke a mere o ji dị mkpa na a ga-eleba anya na mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagu, Steeti Enugwu. Nchọcha a ga-elebakwa anya kpọmkwem n'ihe ndị a:

1. Ịchọpụta etu mgbochiume asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.
2. Ịchọpụta etu ụdaume asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.
3. Ịchọpụta etu fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.
4. Ịchọpụta etu ndebeolu n'asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.

Ajụjụ Nchọcha

Iji mee ka nchọcha a tọọ atọ, ajụjụ ndị a ka-eguzobere maka nchọcha a:

1. Kedu ka okwu mgbochiume asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?
2. Kedu ka ụdaume asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?
3. Kedu ka fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?
4. Kedu ka ndebeolu n'asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha a bụ sọvee nkọwa ka e ji mee ya iji chọpụta mmetụta asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagu, Steeti Enugwu. Sọvee bụ nke Nworgu (2015) kọwara dịka ihe ọmụmụ na-eleba anya n'etu e si achịkọta data ma kọwaa n'ụzọ doro anya ihe gbasara mmadụ ole na ole maọbụ ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha. Ihe kpatara ndị nchọcha ji họrọ sọvee nkọwa bụ maka na ọ bụ site n'ọsịsa dị iche iche e nwetara n'aka

ụmụakwụkwọ bụ ndị e ji mee nchọcha, ka a e ji chọpụta ụzọ dị iche iche asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu.

Ebe anọ mee nchọcha a bụ n'Ezeagu. Ezeagụ bụ otu n'ime okpuru ọchịchị iri na asaa e nwere na steeti Enugwu. Okpuru ọchịchị Ezeagu nwere isi ọnọdụ n'Agụobuọwa. Ọ bụ ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ ka e ji mee nchọcha a. Obodo ndị mejupụtara okpuru ọchịchị Ezeagụ gụnyere: Oghe, Iwolo, Amanshịodo, Olo, Ọwa, Obeleagụ, Ụmana, Ọha, Ọmụghụ na Ọkpụdo. Ndị Ezeagụ bụ ndị e ji ọrụ ugbo na ịzụ ahịa mara. Nri ndị Ezeagụ na-akọpụta gụnyere ji, ede, akpụ, ahụekere, unere na abacha. Ha nwekwara nkwụ, oroma, kashuu. E ji ịgwọ ọgwụ mara ndị Ezeagụ. Ezeagụ nọ n'ụzọ na-aga 9th mile ma nọrọkwa n'ụzọ Onitsha. Agbataobi ndị Ezeagụ gụnyere: Eke, Ụmụlọkpa, Oji Riva, Ngwo, Nsude na Udi. Ihe kpatara ndị nchọcha ji họrọ okpuru ọchịchị Ezeagụ bụ na ha hụtara na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị na-enye ụmụakwụkwọ nsogbu n'ihi na ụfọdụ ndị nkụzi na-asụrụ ha Bekee.

Ọ bụ ụmụakwụkwọ ndị nọ na klaasị nke anọ n'ogo praịmarị bụ ndị ọnụọgụ ha dị otu puku, narị asaa na iri atọ na anọ (1,734) ka e ji mee nchọcha a. Ihe mere e ji họrọ ndị nọ na klaasị nke anọ bụ maka na ha amarala ekwu okwu nke ọma ma bụrụkwa ndị a tụrụ anya na ọgụgụ na odide asụsụ Igbo amarala ha ahụ. A họpụtara otu ụlọakwụkwọ n'obodo ọbụla dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ wee mee nchọcha a.

Ọnụọgụ ndị e seere maka nchọcha dị narị abụọ (200). E ji usoro tụmbọm tụmbọm họpụta ụmụakwụkwọ iri abụọ n'ụlọakwụkwọ ndị e ji mee nchọcha. Ebe ọ bụ na obodo ndị mejupụtara Ezeagụ dị iri, ọnụọgụ ndị a niile pụtara narị abụọ (200). E jikwa tụmbọm tụmbọm seere ụlọakwụkwọ dị ise maka nchọcha a.

Ngwa e ji mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza Mmetụta Asụsụ Bekee Na-emetụta Ụmụakwụkwọ na Mkpọpụta Okwu Igbo (MABNỤMOI) nke nwere ajụjụ iri na isii n'ime ya. Ndị nchọcha weere ngwa nchọcha ha nye ọkammụta abụọ na ngalaba mmụta nka Igbo na Mahadum Naịjirịa Nsụka maka nnyocha. Ha wegakwaara ya otu onye ọkammụta na ngalaba 'Measurement and Evaluation' ka ha lebaa anya ma o nwere nke ha ga-etinye maọbụ wepụ iji hụ na ngwa nchọcha

a tozuru etozu maka nchọcha. Ha sitere na nnyocha ha hazie ngwa nchọcha etu o kwesịrị.

Ndị nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ kee ụmụakwụkwọ ndị ahọpụtara maka nchọcha a akwụkwọ ederede njụmaza ma nọrọ ka ha zaa ajụjụ ndị mebere ya. Ha nakọtara ha ya bụ akwụkwọ mgbe ha zachara ajụjụ mejupụtara ya. Mana ndị nchọcha buru ụzọ nata ikike n'aka ndị isi ụlọakwụkwọ e ji mee nchọcha a.

Ndị nchọcha ji tebulu hazie ụsa n'aka ụmụakwụkwọ ndị e ji mee nchọcha a. Ndị nchọcha ji miin na ndịpụ n'izugbe wee hazie/tụchaa ihe ha nwetara na nchọcha. Ndịna ọbụla ruru 2.50 bụ nke anabatara ebe ndị erughị 2.50 bụ ndị anabataghị.

Nchọpụta

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: Kedu ka mgbochiume asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?

Ọgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	$\bar{X}$	SD	mkpebi
1.	Ụmụakwụkwọ na-enwe nsogbu na mkpọpụta mgbochiume mkpị	70	51	29	50	2.70	1.189	Anabatara
2.	Ụmụakwụkwọ na-eji mgbochiume nge yitere mgbochiume mkpị ha chọrọ ịkpọpụta anọchite anya ya	60	55	45	40	2.67	1.101	Anabatara
3.	Ụmụakwụkwọ na-akpọpụta ụfọdụ mgbochiume mkpị dịka ụda abụọ nọrọ onwe ha iche iche	72	50	28	50	2.70	1.195	Anabatara
4.	Mkpọpụta okwu nwere mgbochiume ndị adighị n'asụsụ Bekee na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ	66	48	46	40	2.70	1.129	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.69**		

Tebulu nke mbụ dị n'elu ebe a gosipụtara akara miin na ndịpụ n'izugbe nke gosiri na mgbochiume asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo izugbe. Nke a bụ n'ihi na akara miin ndị ahụ bụ 2.70, 2.67, 2.70 na 2.70 gafere akara miin ọnọdụ mkpebi bụ 2.50 ndịna ndị a nabatara na nchọcha. Nke a pụtara na ndị nzaajụjụ kwetara na mgbochiume asụsụ Bekee nwere mmetụta n'ebe

ụmụakwụkwọ nọ mgbe ha na-akpọpụta okwu Igbo izugbe. Ọzọkwa, miin mgbakọtaọnụ bụ 2.69 nke gafere 2.50 bụ miin ọnọdụ mkpebi.

Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ: Kedu ka ụdaume asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?

Ọgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
5.	Mkpọpụta ụdaume arọ na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ	73	45	38	44	2.64	1.111	Anabatara
6.	Mkpọpụta okwu ndị nupụrụ isi na ndakọrịta ụdaume na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ	61	57	32	50	2.64	1.160	Anabatara
7.	Ụmụakwụkwọ enweghị ike ịkpọpụta okwu nwere ụdaume abụọ nọdebere onwe ha n'ahịrịokwu nke ọma	56	60	40	44	2.62	1.113	Anabatara
8.	Ụmụakwụkwọ anaghị akpọpụta okwu ka ọ dabaa etu o kwesịrị	58	63	30	49	2.65	1.114	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.67**		

Na tebulu nke abụọ dị n'elu, malite na ndịna nke ise ruo na nke asatọ, nwere akara miin 2.64, 2.64, 2.62 na 2.65 ndị nke gafeere 2.50 bụ akara miin ọnọdụ mkpebi miin ndị anabatara na nchọcha a. Nke gosiri na ndị nzaajụjụ kwetara na ụdaume asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo izugbe. Mgbakọtaọnụ miin bụ 2.67 nke gafekwara 2.50 bụ miin ọnọdụ ndị anabatara. Nke ọzọ, tebulu nke abụọ gosikwaziri ndịpụ n'izugbe akara miin ndị ahụ dị n'elu ebe a.

Ajụjụ Nchọcha nke Atọ: Kedu ka fonotatiks/usoro ndokọokwu asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo nakwa ọsụsụ Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?

Ọgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
9.	Ọ na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara inwe mmasị n'asụsụ Igbo	48	62	43	47	2.55	1.096	Anabatara
10.	Ụmụakwụkwọ na-akpọpụta mkpụrụokwu "V" dịka a, e, i, ị ka /e/, /i/, /ai/, /ai/	80	32	40	48	2.72	1.220	Anabatara
11.	Ụmụakwụkwọ na-agbakwunye ụdaume ọyọ na mkpọpụta okwu dabara n'usoro ndokọokwu "N"	69	73	30	28	2.91	1.026	Anabatara
12.	Mkpọpụta okwu ụmụakwụkwọ na-enwe mgbochiume ọyọ oge ụfọdụ	64	82	14	40	2.86	1.083	Anabatara
13.	Ọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ.	53	77	30	40	2.71	1.083	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ miin					**2.75**		

Tebulu nke atọ gosiri akara miin na ndịpụ n'izugbe e nwetara na ndịna nke ọbụla dị n'elu. O gosiri na ndịna bido na nke iteghete/itoolu ruo na nke iri na atọ nwere akara miin ndị a 2.55, 2.72, 2.91, 2.86 na 2.71 na ndịpụ n'izugbe ha n'otu n'otu. Miin ndị ahụ gafere 2.50 bụkwanụ akara ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a. Nke a gosiri na ndị zara ajụjụ ederede njụmaza kwetara na fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee nwere mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ na mkpọpụta okwu Igbo izugbe. Nke ọzọ, mgbakọtaọnụ miin e nwetara na tebulu nke atọ bụ 2.75 nke gafere 2.50 bụ ọnọdụ mkpebi miin ndị ahụ anabatara na nchọcha.

Ajụjụ Nchọcha nke Anọ: Kedu ka ndebeolu asụsụ Bekee si emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ogo praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu?

Ọgụ	Ndịna	EI	E	A	AI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
14.	Mkpọpụta okwu nwere mpụtara dị iche iche na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ.	68	77	25	30	2.91	1.028	Anabatara
15.	Ndebeolu asụsụ Bekee na-eme ka ụmụakwụkwọ nwe nhịa ahụ na mkpọpụta ọtụtụ okwu Igbo.	48	83	30	39	2.70	1.041	Anabatara

16.	Mkpọpụta okwu a kwanyere akara ụdaolu na-echere ụmụakwụkwọ akamgba.	51	63	41	45	2.60	1.098	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ miin					**2.73**		

Tebulu nke anọ pụtara ihe n'elu nwere akara miin 2.91, 2.70 na 2.60 na ndịpụ n'izugbe ha maka ndịna 14, 15 na 16 n'otu n'otu. Akara miin ndị ahụ gafere akara miin ọnọdụ mkpebi bụ 2.50 maka ndịna ọbụla anabatara na nchọcha a. Nke a gosiri na ndị zara ajụjụ ederede njụmaza kwetara na ndebeolu asụsụ Bekee nwere mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ mgbe ha na-akpọpụta okwu Igbo izugbe. Ọzọkwa, mgbakọtaọnụ miin nọ na tebulu nke atọ bụ 2.73 nke gafekwara 2.50 nke gosikwara na ndebeolu asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo.

Mkparịtaụka

Nchọcha a gosiri na mgbochiume asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na asụsụ Bekee abaala ha n'ọnụ nke ukwuu. Ọ na-eme ka ha na-ewebata mgbochiume asụsụ Bekee mgbe ha na-asụ maọbụ na-akpọpụta okwu Igbo mgbe ha na-amụ asụsụ Igbo. Nchọpụta nchọcha a dabara n'ihe Richard (2020) kọwara maka mgbochiume mgbe o kwuru na mgbochiume bụ mkpụrụụda ndị ahụ na-eweta mgbochibido ikuku mgbe a na-akpọpụta ha. Nke a gosiri na mkpọpụta mgbochiume otu asụsụ nwere mmetụta mgbe a na-akpọpụta mgbochiume asụsụ ọzọ n'ọmụmụ asụsụ dị iche iche. Ya bụ na mgbochiume asụsụ Bekee nwere mmetụta na mkpọpụta mgbochiume okwu Igbo.

Nchọpụta nchọcha gosikwara na ụdaume asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo. Nke a bụ n'ihi na ụmụakwụkwọ na-ewebata olu asụsụ Bekee mgbe ha na-amụ asụsụ Igbo n'ihi na asụsụ Bekee abaala ha ahụ ebe ọ dị ukwuu. Nchọpụta nchọcha a dabara n'ihe Richard (2020) kọwara maka ụdaume asụsụ dị iche iche. Ọ kọwara na ụdaume bụ mkpụrụụda ndị ahụ e nweghị mgbochibido ikuku sitere n'akpịrị na ọnụ onye na-akpọpụta ha. N'agbanyeghị enweghị mgbochibido ikuku, ụdaume otu asụsụ na-emetụta mkpọpụta ụdaume asụsụ ọzọ ọ kachasị mgbe a na-amụkọ asụsụ ndị ahụ ọnụ. Nke a gosiri na ụdaume

asụsụ Bekee na-emetụta nke Igbo mgbe a na-amụ asụsụ Igbo ọ kachasị na mkpọpụta ụda.

Nchọpụta nchọcha a dịka o si dị gosiri na fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee nwere mmetụta na mkpọpụta okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ mgbe ha na-amụ asụsụ Igbo. Nke a bụ n'ihi na ha abụọ anaghị agbaso otu usoro ọdịdị. Nke a na-eme ka ụmụakwụkwọ na-ewebata usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee dị iche iche na nke asụsụ Igbo n'ihi na ha abụọ anaghị agbaso otu usoro ọdịdị. Nke a na-eme ka ụmụakwụkwọ na-ewebata usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee mgbe ha na-asụ asụsụ Igbo. Nchọpụta a dabara na nkọwa Gabby (2013) nyere maka fonotatiks asụsụ Bekee. Ọ kọwara na asụsụ ọbụla nwere usoro nke ọ na-agbaso na njikọ mkpụrụụda ndị ahụ e ji asụ maọbụ akpọpụta ụda si na-asụsụ ahụ. Nke a pụtara na ebe asụsụ Bekee nwere usoro ndọkọokwu nke ya, asụsụ Igbo nwekwara nke ya mana ụmụakwụkwọ na-ewebata nke asụsụ Bekee mgbe ha na-akpọpụta okwu Igbo n'ọmụmụ asụsụ Igbo.

Nchọpụta nchọcha a dịka o si pụta ihe gosiri na ndebeolu asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a bụ n'ihi na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu mana asụsụ Bekee abụghị. N'ihi nke a, ụmụakwụkwọ na-eji ndebeolu/olu Bekee akpọpụta okwu Igbo mgbe ha na-amụ maọbụ asụ asụsụ Igbo. O kwesịrị ka ụmụakwụkwọ ghọta na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu ma na-akpọpụta okwu Igbo n'usoro ahụ dịka asụsụ ụdaolu ọ bụ (Ezema, 2016).

Mkpokọta

Nchọcha a agbala mbọ chọpụta na mgbochiume, ụdaume, fonotatiks/usoro ndọkọokwu na ndebeolu asụsụ Bekee na-emetụta ụmụakwụkwọ na mkpọpụta okwu Igbo n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo izugbe. Ọmụmụ asụsụ Igbo maọbụ asụsụ ọbụla na-amalite site n'ịkpọpụta ụda ndị ahụ e ji asụsụ ahụ etu o kwesịrị. Nke a ka o ji dị mkpa na ndị nkụzi ga-akụziri ụmụakwụkwọ etu e si akpọpụta okwu Igbo dị iche iche ghara iji olu/ọtọgrafị asụsụ ọzọ. Ọ na-enwe mmetụta n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị. Iji mgbochiume, ụdaume, usoro ndọkọokwu na ndebeolu asụsụ Bekee maọbụ asụsụ ọzọ akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo ga-eme ka asụsụ Igbo na-ala azụ maọbụ nwụọ pịị n'ọdịnihu.

Ntụnye Aro

Site na nchọpụta nchọcha a, ndị nchọcha tụrụ aro ndị a:

1. Ka ndị nkụzi kụziere ụmụakwụkwọ ndịiche dị n'etiti mgbochiume asụsụ Igbo na nke asụsụ Bekee ọ kachasị mgbochiume mkpị.
2. Ka ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi na-eji ụdaume asụsụ Igbo na-akpọpụta okwu Igbo ma ghara ịgwakọ ụdaume asụsụ Igbo na nke asụsụ Bekee ọ kachasị na ị, ụ, ọ.
3. Ka ndị nkụzi kọwara ụmụakwụkwọ ndịiche dị na fonotatiks/usoro ndọkọokwu asụsụ Bekee na nke asụsụ Igbo nke ọma.
4. Na ọ dịkwazị mkpa ka ndị nkụzi asụsụ Igbo jiri ndebeolu asụsụ Igbo na-asụ ma na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo. Ka ndị nkụzi kọwara ụmụakwụkwọ na asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu.

Nrụaka

Alshami, I. (2019). Language and linguistics. https://www.researchgate.net/publication/33145003-langauge-and-linguistics.

Anagbogu, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics (2nd ed.)*. Amaka Dreams Limited.

Ezema, C. (2016). *Ozi n'asusu Igbo*. Computer Edge Publishers.

Ezema, C. A. & Aboh, S. C. (2020). Mmetụta nsụmede n'iwu nsụpe n'ebe mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ sekọndịrị nọ. In *Ikenga international journal of institute of African studies*. 21 (1 & 2), 110 -117.

Ezema, C. A. (2023). Mmetụta olundị ụmụakwụkwọ Edem na nsụmede ha n'Igbo izugbe n'okpuru ọchịchị Nsukka na Steeti Enugwu In Icheke: *A multi-disciplinary journal of the faculty of humanities*. 21(3), 339-354.

Ezema, C. A., Chineke, S. O. & Ude, F. U. (2021). Mmetụta olundị na mmeta nkeọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ule asụsụ Igbo na zoon mmụta Nsụka In *Igbo scholars international journal of Igbo scholars forum, Nigeria*. 14(1), 138-152.

Gabby, V. (2013). *Phonotatics, language development for ELL students.* https://www.slideshapre.net/gabbyvilla5/phonotatics.

Nworgu, B. G. (2015). *Educational measurement and evaluation.* University Trust Publishers.

Nworgu, B. G. (2015). *Educational research basic issues and methodology.* Wisdom Publishers Ltd.

Okorji, R. & Atadoga, F. (2006). Sociolinguistics implication of languages in contact: Ogbala language experience in Anagbogi, P. *Awka journal of linguistics and langauge.* 2, 81-89.

Onwuka, G.T. & Umo, U.C. (2019). Influence of English language spoken by the teachers and their qualification on students' learning of Igbo language. *Journal of LUDIMAC.* 6 (45-50).

Richard, N. (2020). *Vowel sounds and letters in English. Glossary of grammatical and rhetorical terms.* https://www.thoughtco.com/vowel-sounds-and-letters-1692601.

Ude, F.U. (2018). *Nduzi n'usoro ime nchọcha n'asụsụ Igbo*. Computer-edge Publishers.